lAkwukwo akuko nso maka umu ntakiri a na-egosi

# Omumu Jisos



Ode akwukwo: Edward Hughes

Onye kuziri ya: M. Maillot
Alastair Paterson

Onye haziri ya/Onye nhazi:
E. Frischbutter; Sarah S.

Onye tughariri okwu a: Ekwealor Sylvia Ujunwa

Onye biputere akwukwo: Bible for Children
www.M1914.org

©2020 Bible for Children, Inc.
Ike/ikike: i nwere ike ma obu ikike i biputa
akuko a nani i gaghi ere ya ere.

Otutu mgbe gara ga, Chineke
zigara nmuo oma aha ya bu
Gabriel na ebe otu nwagbogho
onye Jew aha ya bu Mary.



Nmuo oma ahu gwara ya si “I ga amu otu nwa nwoke nke aha ya ga abu Jisos.  A ga akpo nwata nwoke okpara Chineke kacha ihe nile.  O ga chigide rue mgbe ebi ebi.”



"Kedu ka ihe di otu a ga eji bia mezue?" Mary n'ihe mgbagoju anya juru ajuju a. "Amabeghi m nwoke obula." nmuo oma ahu agwa Mary si, nwata nwoke a i ga amu ga site Chineke bia. A gaghi enwe mmadu dika nna nke uwa ga amu ya.



Nmuo oma a gwara Mary na nwa nwanne mama di ime omumu na-nka. Ihe a bu ihe oru ebube ma o bu oru aka Chineke. Ka obere oge gachara, Mary gara leta Elizabeth. Ha abuo wee too Chineke.



Mary na Josef ekwerikoritala na ha ga alu onwe ha, obi adighi Josef nma mgbe o choputara na Mary di ime omumu.  O chere na onwere otu nwoke ozo nke tuwara Mary ime ahu onye nke ga abu nna nwa ahu Mary di ime ya.



N'ime nro, nmuo oma Chineke biakwutere Josef gwa ya si, nwata nwoke a bu nwa Chineke. Ya mere gi bu Josef ga enyere Mary aka lekota Jisos.



Josef tukwasiri Chineke obi ma ruwere Ya isi.  O ruwekwara iwu obodo isi.



Maka iwu ohuru amara, Josef na Mary laghachiri obodo amuru ha bu obodo Betlehem ka ha kwuo ugwo iwu ochichi obodo.





Mgbe oge imu
nwa Mary ruru,
Josef ahughigi
ulo ebe Mary
nwere ike imu
nwa, onu ulo
nile juru eju.

Josef mechara chota ulo anumanu. Ebe a ka amuru Jisos, mary bu nne Jisos kusara nwa ya n'ime ihe eji enye umu anumanu nri ma obu ebe a na edosara umu anumanu nri.





N'ebe di nso, ndi ozuzu aturu no n'echekwa umu aturu ha no n'ura. Nmuo oma nke Chineke biakwutere ha wee zie ha ozioma oru ebube Chineke a.


N'ubochi taa ka amuru na mba/agburu David onye nzoputa anyi bu christi bu Chineke.
I ga ahu nwata nwoke ka enyiwere ya n'ihe eji enye umu aturu nri.


n'oge na atughi anya, otutu ndi nmuo oma ndi ozo na egbu amu ma putachara, were too Chineke na asi, ...


... "Otito diri Chineke n'elu kacha elu na uwa udo na ihe oma diri ndi mmadu."


Ndi ozuzu aturu a gawara oso oso n'ulo aturu ebe amuru Onye nzuputa.

Ka oge ha gara leta ma obu hu nwata bu Jisos Onye nzoputa gachara, ha gwara ndi mmadu na ha ahula ihe ndi mmuo oma/mmuo ozi kwuru maka Jisos.





Ka ubochi iri ano gachara, Josef na Mary kpotara Jisos n'ulo nso Chineke di na Jerusalem.





Ebe ahu ka otu nwoke aha ya
bu Simeon onye ozi Chineke wee
too Chineke n'ihi nwa a
bu Jisos, otu okenye
nwanyi bukwa onye
ozi Chineke
ozo, kele
kwa Chineke.


Ndi ozi Chineke abuo mara na
Jisos bu Okpara Chineke, onye
Nzoputa ekwere na-nkwa.
Josef nyere umu
anufe abuo were
tuoro Chineke
aja ekele.



Nke a bu ihe onyinye dika iwu Chineke siri kwuo na ndi ogbenye ga ejiri bia maka ikuputa nwa n'ihu Chineke.



Otu mgbe biara, kpakpando puru iche dutere umu nwoke ato bu ndi akporo ndi oke

amamihe si na ndida anyanwu bia na Jerusalem. Kedu ebe nwata ahu amuru bu eze ndi Jew noo? ha juru ajuju a. "Ka anyi kporo Ya isiala".

Eze Herod nuru maka ndi amamihe ato a. Ihe a nyere ya nsogbu nke ukwu u, o juru ha ka ha gwa ya ebe amuru Jisos. “A choro m i kpokwara Ya isi ala,” Eze Herod si wee kwuo. Mana o bu asi/ugha ka Eze Herod n'ekwu. Herod choro igbu nwata ahu bu Jisos.



Kpakpando a duru
dugidere mmadu ato ndi
amamihe ruo na ulo ahu
ebe Mary, Joseph bi na
kwa nwa ha bu Jisos.



Ha gburu ikpere n'ala nke
i ji kpoo isiala nye Ya, ndi
njem a nyere Jisos ihe
onyinye di iche iche dika
Ola edo, ihe nwere  isi
oma nke a na
agba n'ahu.



Chineke doro ndi oke amamihe ato a aka na nti ka ha laghachi azu n'ulo ha na nzuzo.



Eze Herod were iwe nke ukwu u ma nwe kwa nkpebi igbu Jisos, Eze Herod onye obi ojoor wee gbuo umu ntakiri ndi nwoke nile na betlehem.





Mana eze Herod
enweghi ike igbuteli
Okpara Chineke,
Chineke doro ha aka
n'nti, Josef kporo
nwanyi ya bu Mary na
kwa nwa ha bu Jisos
kpoga ha ebe o dighi
ihe o bula ga

emetu ha n'obodo
Egypt (ijipt).



Mgbe eze Herod nwuru, Josef kpoghachitere nwanyi ya bu

Mary na kwa nwa ha bu Jisos azu n'obodo Egypt (ijipt). Ha biri n'obere obodo Nazareth, nke di n'akuku mmiri Galilee.

Omumu Jisos

Akuko nke eweputara n'okwu Chineke,
bu akwukwo nso

Di n'ime

Ozioma matiu 1-2, ozioma luuku 1-2

"Ogugu na itule okwu Chineke na-enye ihe."
Abuoma 119:130

Ngwucha

Akuko akwukwo nso a na-agwa anyi maka Chineke puru ime ihe nile, onye kere anyi ma cho kwa ka-anyi mara ya.

Chineke mara na-anyi emehie la ya, nke O kporo nmehie. Ntarama ahuhu maka nmehie bu onwu, mana Chineke huru anyi na-anya nke ukwu u O were zite nani otu nwa ya nwoke ohuru na-anya, aha ya bu Jisos ka O bia nwuchitere anyi onwu na elu obe ma nata kwa ntarama ahuhu diri anyi maka nmehie anyi. Jisos siri n'onwu bilie ma lahachi kwa eluigwe ebe O siri bia! O buru na i kwere na Jisos ma yokwa ya mgbahara nmehie gi, O ga gbahara gi! O ga bia biri n'ime gi ugbua ma gi onwe gi ga e biri kwa n'ime Ya mgbe ebi ebi.

O buru na i kwere na ihe bu eziokwu, gwa chineke ihe a: Ezigbo jisos onye nzoputa m, e kwere na I bu chukwu/chineke, i buru mmadu ka i wee nwuo maka nmehie m nile, ma ugbua I ka dikwa ndu ozo. Biko bata n'ime ma gbahara m nmehie m nile, ka m nwee ike nwe ndu ohuru ugbua, ma otu ubochi mgbe m ga abia soro gi wee biri mbe ebi ebi. Nyere m aka ka m ruwere gi isi ma bie ndu m maka gi di ka nwa gi. Amin!

Na agu akwukwo nso mgbe nile ka gi na chineke n'ekwurita okwu ubochi nile! Ozioma Jon isi nke ato amaokwu/usoro okwu nke iri na isi.